## Onodu Nkesa Ngwa Ahia Ihe Ubi Biotech Nke Uwa Nile Nke 2014

*Onye dere nkea bu Clive James, bu onye choputara, na onye is ioche gara aga nke ulo oru ISAAA, Nke eji kwanyere Norman Borlaug ugwu, onye bu 'nobel laureate'onye so na ndi choputara ulo oru ISAAA, na onodu nke otu nari afo ya 25th march 2014*

### Isi Nchoputa Ihe iri Banyere Ihe Ubi Biotech N'afo 2014

**NKE MBU:** 2014 bu afo nke iri na itolu e nwere oganihu na nkesasi ngwa ahia nke ihe ubi Biotek. Site na nmalite iko Ihe ubi a na–afo 1996, ihe kariri otu ijeri mbara ala na nmaji hekta asato (nke kariri ijeri mbara ala ekar ano n'okuko nke mbu ya) ka akonyechara n'ala nke oma, nke nwere ike iputa ihe kariri iri pesent asato nke mbara ala obodo China n'ile ma obu mba obodo United States.ihe ubi biotech nke akoro n'imembara alamba obodo onu ogugu ha di iri abuo na asato n'ime afo 2014, mbara ala hekta ihe ubi a amubaala karia otu uzo nari, site na ihe jiri okara asaa karia otu nde mbara ala hekta n'afo 1996 ruo ihe jiri okara ise karia otu nari na iri mbara hekta asato na otu n'afo 2014, nke a putara –ojiri okara ato karia nde mbara ala hekta isii, too karia nke afo 2013 nke bu nde mbara ala hekta ise; na-etokwa uto kwa afo nke bu pesent ato ma abu ano. Mmubanye nmaji kwurunmaji uzo ofu nari mere biotech ka o buru nka oru ugbo nke kachasi nwee nnabata karichaa n'oge nke ugbu a – gini nkpatara nkea? O na eweta ezigbo uru di na ngwa ahia!.Onu ogugu mba obodo ndi na ako ihe ubi biotech amubaala karia nmaji uzo ano, site na-isii n'afo 1996 rue iri abuo na asato na 2014, karia kwa otu n'afo 2013.

**NKE ABUO:** onu ogugu ndi oru n'akoputa ihe ubi biotech. N'imeafo 2014,onu ogugu ndi n'ako ugbo ruru nde iri na asato, nke gosiri na pesent iri na itolu na otu n'ime ha bu ndi na-ako ugbo obere obere, buru kwa ndi nke no n'ubiam, ndi a konyere iheubi biotech na nari nde mbara ala hekta na nde iri asato na otu n'ime mba obodo iri abuo n'asato. Ndi n'ako ubi bu nnoo ndi na ebu ihe ize ndu n'isi n'akwadokwa otuto nke nkoputa ihe ubi site na i nogide n'igbasi ike (na-agbasokwa ihu na akoro ihe ubi n'ime mbara ala hekta nkeji okara karia otu ijeri, na ahukwa na e chekwara ala ohia n'uzo digazi iche iche). N'afo 2014 onu ogugu ndin'ako ugbo obere obere ruru ihe jiri otu okara karia nde asaa ndi no na mba obodo China; na onu ogugu ndi nke jiri okara asaa karia nde asaa ndi nke no na mba obodo India hoputara I kochi ihe ubi OWU biotech na mbara ala hekta kariri iri nde na ise n'afo 2014, nihi uru doro anya nke o na enye. Ozokwa, N'afo 2013 nd iobere oru ubi ruru nari puku ano na iri na ise ndi no na mba obodo Philipines nwetara uru site na mkpuru oka biotech.

**NKE ATO:** Mgbasi ike nke gomenti obodo ha mere ka Bangladesh bido nkesa azum ahia ihe ubi biotech **brinjal** nke a na-akpo (eggplant) na nke mbu ya. Okwere nghota na Bangladesh bu obere obodo ka no n'ukpa, nke onu ogugu ndi bi n'imeya di nde otu nari na ise, kwadoro ikonye akwukwo nri ihe ubi biotech **brinjal** nke a n'acho nnoo acho bu kwa nke a n'akpo (eggplant) n'ubochi 30 nke oktoba n'ime afo 2013, meekwa ya n'oge di nnoo nma – nke bu otu nari ubochi, mgbe a kwadosiri ya. Ndi oru ubi di obere obere bidoro ikonye ihe ubi BT **brinjal**/eggplant site ubochi 22 nke jenuari nke afo 2014. Nke a agaghi abu ihekwere mee ma ewuzuga nkwado siri nnoo ike nke gomenti obodo a, karichasia site n'aka minister nke oru ubi **O. Chowdhury**. Onodu nke a bu nnoo ihe mgbaso ukwu nye obere mba obodo ndi ka no n'ubiam. Mba obodo Bangladesh n'anwalekwa nkonye nke mkpuru ihe ubi ji - peteto biotech na akwa OWU na osikapa nke biotech.

**NKE ANO:** Ufodu n'ime ihe ubi biotech ohuru ndi nke akwadoworo ikonye n'ala ugbua gunyere –nri – ji peteto nke mba obodo US, nakwa akwukwo nri **brinjal** nke ana akpo (eggplant) na mba obodo bangladesh. n'afo 2014 mba US kwadoro ihe ubi biotech ohuru abuo maka ikonye n'ubi, ihe oriri nke nwere obere ihe ndi nke a n'akpo n'asusu bekee"ofacrylamide" nke nwere ikike inye "carcinogen"nke n'ebelata nmefu, nke nwekwara Lignin Alfalfa event belatara ebeleta(HarvXtra) nke n'agbaze nri n'afo ofuma na nmubakwa (alfalfa bu ihe ubi forage nke mbu n'ime uwa). Mba indonesia mere nkwado iko ihe ubi Okpete suga nke n'anagide oke okochi. Mba brazil nwere nkwado kultivance, agwa soya HT, na kwa mkpuru agwa n'anagide nje nke ha nwe, dikwa njikere ikonye ya n'ala n'afo 2016. Mba vietnam e nweekwala nkwado ihe ubi oka biotech (HT na IR) na nke mbu n'afo 2014. Na mgbakwunye na ihe ubi ndi nke no ugbua nwere uru nye ndi n'eri ya (oka ocha nke obodo south afrika, okpete sugar beet na oka biri biri nke ndi US na matiao canada, na poopo na squash nke mba US, ihe ubi nri biotech ohuu na-agunye eze nwanyi nke ihe ubi akwukwo nri (**brinjal**) nke bangladesh na peteto nke mba US – peteto bu nri nke ano kachasi nkpa n'uwa. O nwere ikike i juputa nri nke mba obodo ndi di ka China (nde mbara ala hekta isii nke akoro peteto), Mba India (nde mbara ala abuo) nakwa mba Europe (nde mbara ala abuo)

**NKE ISE:** Mba obodo ndi n'ako ihe ubi biotech karichaa. Ndi mba US bu ndi no n'isi nkea site n'ikochi ihejiri otu okara karia iri nde mbara ala hekta asaa na ato, (nke gosiri pesent iri ano nke onu ogugu ihe ubi biotech nke uwa nile) nweekwa nnabata puru iche nke ihe ubi nile ruru iri pesent itolu. Iri pesent itolu na ato na oka, iri itolu na ano maka agwa soya, iri itolu na isii. Mba Brasil bu ndi nke mbu n'eto n'ikonye nri na mbara ala hekta kwa afo n'ime afo ise gara aga. Mba US gbara ndi mbu site n'ikochi nde mbara ala hekta ato, karia nke ndi mba brazil kochiri nke di otu nde mbara ala hekta n'okara iri na itolu. Mba brazil konyekwara agwasoya (stacked HT/IR) na ihe ji okara abuo karia nde mbara ala hekta ise n'ime afo abuo nke mmalite ya.

Mba obodo Ajentina nogidekwara na onodu ndi nke ato site n'ikochi ihe jiri okara ato gafee iri mbara ala hekta abuo na ano, nke gosiri obere nlotu site na mbara ala hekta jiri okara ano karia nde iri abuo na ano nke afo 2013. Mba obodo India gbara ndi nke ano site na ikochi ihe ubi OWU biotech na nde mbara ala hekta ji okara isii karia iri n'otu (11.0 n'afo 2013), na nnabata nke di iri pesent itolu n'ise.

Canada bu ndi nke ise ha ebe ha nwere ihe jiri okara isii karia nde mbara ala hekta iri na otu nke ihe ubi OWU biotech, nweekwa nnabata ruru iri pesent itolu na ise. Canada bu ndi nke ise ebe ha nwere ihe jiri okara asato karia nde mbara ala hekta iri, ebe e wetukwara aka n'iko

ihe ubi Caniola ma nweekwa nnabata ruru iri pesent itolu na isii. N'afo 2013, kwa obodo ise ndi no n'isi ihe ubi ndi akochiri ihe kariri nde mbara ala hekta iri, na enye mgborogwu siri ike maka otuto odi n'ihu.

**NKE ISII:** Nkpuru oka biotech mbu nke n'anagide oke okochi bu nke akoro n'ugbo na mba US bawanyere mmaji ise n'afo 2014. Nchekwa nkpuru oka nke na – anagide oke okochi bu nke akoro n'alamba US n'afo 2013 bu nke nwere uto ihe jiri okara ise karia mmaji ise, site na mbara ala hekta 50,000 n'afo 2013 ruo mbara ala hekta 275,000 n'afo 2014, n'egosi nnabata nke ndi n'ako ugbo; emume nkea bu nke enyere ndi gomenti na ndi noro onwe ha mekotara. Mkpuru oka nmiri maka inye ufodu mba afrikandi nke ahoputara mkpuru oka ndi nke n'anagide oke okochi n'afo 2017.

**NKE ASAA:** ONODU IHE UBI BIOTECH N'ALA AFRICA. Obodo Afrika n'aga nnoo n'ihu na nke a, nke mere na mba obodo south afrika loturu obere na mbara ala hekta ala ubi nke jiri okara asaa karia nde abuo nihi oke okochi. Mba obodo Sudan kwalitere nkochi mbara ala hekta ihe ubi OWU biotech ruo pesent iri ise; ebe oke okochi wepuru ndi mba Burkinafaso site n'inwetakwu mbara ala hekta , mee ka ha nweta ihe wepuru okara ise na otu nde. N'afo 2013 mba obodo asaa ndi nke bu (Cameroun, Egypt, Ghana,Kenya, Malawi, Nigeria n'akwa Uganda) mere otutu nwale ihe ubi ndia, nke bu usoro mgbakwasi ukwu tupu nkwado ya nkesasi ya. Nke dikwa nnoo nkpa, oru WEMA a bu nke a hazirila ka o weputara ndi mba Afrika mkpuru oka biotech nke mbu ndi nke n'anagide oke okochi n'afo 2017. E nweghi usoro NKA ihe omume di nnoo mma aburula ihe mere o ji raa ezigbo ahu inwe nnabata nkea. Ukpuru na Usoro omume ihe na-adighi nfe ma kwesiri ntukwasi obi di nnoo mkpa, karichaa maka obere mba ndi ka n'eto eto.

**NKE ASATO: ONODU IHE UBI BIOTECH NA MBA NDI EUROPE**: Obodo Europe ise bu ndi nke n'aga n'ihu n'akochi mbara ala hekta (143,016), bu nke jiri obere pesent ato lotuo karia ebe ha no na mbu. mba spain bu ndi nke no n'ihu site n'ikochi ihe ubi OKA biotech na mbara ala hekta nke ruru 131,583, nke gosikwara obere nlotu site n'ebe ha na mbu nke putara pesent ato site n'afo 2013. Ma ha nwere nnabata puru iche kariri iri pesent ato na otu. Na nchikota, enwere obere otuto di nma n'ime obodo europe ato, nweekwa obere nlotu na mba obodo abuo; ihe kpatara nkea bu akonyeghi mkpuru oka ofuma na kwa usoro na iso ukpuru n'ukpuru nke gomenti.

**NKE ITOLU: URU DI NA IHE UBI BIOTECH:** nchoputa ohuu nke uwa emere kwenyekotara na enwere otutu uru doro anya nime ogu afo gara aga. Nchoputa na nmuta nke uwa emere ruru otu nari na iri ano na asaa, n'ime ogu afo gara aga gosiri na nnabata nke Nka GM ebelata iji ogwu nchu nje n'ihe ubi ruo pesent iri ato na asaa,kwalitekwa nkoputa ihe ubi pesent iri abuo na abuo, kwalitekwa uru ngwa ahia ndi oru ugbo ruo pesent iri isii na asato. Nchoputa ndia kwekoritara na nchoputa uwa ndi nke emeburu na mbu kwa afo . nchoputa ndi nke kachasi ohuuu nke sitere n'afo 1996 ruo afo 2013 gosiri na ihe ubi biotech wetara nchekwa nke ihe oriri, ndigide na mgbanwe di nma nke ebe obibi anyi, site n'ikwalite nkoputa nke ihe ubi nke ruru ijeri dolar $133b nke ndi mba US. site n'ichekwa ogwu nchu anwu nke killo ya ruru nari nde ise, n'afo 2012 I belata ikuku ojoo bu (co2) nke a na akpo carbon dioxide n'asusu bekee ruo 28 billion kg nke bu ihe di ka I kpochapu onu ogugu ugbo ala ruru ihe kariri iri nde n'abuo n'okporo uzo anyi ruo otu afo, chekwaa nnoo ebe obibi anyi, chekwaa kwa mbara ala anyi ruru otu nari nde na iri hekta ato na abuo site n'afo 1996 ruo 2013; nkea nyekwara aka ibelata ukpa nye ndi na ako ugbo obere obere onu ogugu ha ruru ihe jiri okara ise karia iri nde na isii na kwa ezi n'ulo ha ndi onu ogugu ha ruru iri nde isii na ise bu ndi kacha buru ogbenye n'ime uwa. Ihe ubi biotech bara nnoo uru, ma na o bughi ngwota nke uzo e si a ko ugbo di nma di ka I konye mkpuru di iche iche ma obu n'ala di nma di iche iche n'oge ya, nihi na ihe ubi biotech bu ihe ubi ndi dikwa ka ibe ya.

**NKE IRI: IHE OMA NDI DI N'ODINIHU** – I ji nnoo ako na-enwe nchebara oma maka odi n'ihu, olile anya nkea bu maka nnabata oma di elu nke ihe ubi biotech putara (iri pesent itolu ma obu otu nari) ndi no n'ahia ndi tozuru etozu na mba obodo ndi ka na eto eto na ndi nke tozuworo. Onodu nkea juputara na nnoo na otutu ihe ubi biotech ndi nke anyi ga enweta n'ime afo ise n'abia abia (nkea dabere na nkwado na iso ukpuru iwu obodo maka iko ugbo na mbubata ngwa ahia) onu ogugu ihe ubi biotech digasi iche iche ruru iri asaa di n'ime akwukwo nke edeputara. Ndia gunyere otutu ihe digazi iche iche, n'udi n'udi ndi nke n'anagide nje na oria ihe ubi. Osikapa n'acha edo edo ka ana-aga n'ihu na nwale ya n'ime ubi ugbua; ji peteto nke n'enweghi ntupo ka ana anwale kwa ugbua n'ubi na mba obodo bangladesh, indonesia na kwa obodo india. Na mba US simplot e tinyego akwukwo maka nkwado gaa n'ihu ka ha malite nnwale ihe ubi ji peteto nke gbagotere nu, n'enweghi ntupo, nwee kwa obere suga; obere nkpuru ihe ubi ndi maka ndi ubiam karisia n'ala afrika, di ka unere siri ike, cowpea n'enweghi nje, n'egosi nkwa siri ike. ulo oru ndi gomenti nwe nakwa nke ndi noro o nwe ha nwe e nweela oga n'ihu di nma, n'iweputa na inyerukwa ndi nile choro ihe ubi ndi nkea akwadoro. Nchoputa ano nke ndi PPP mere n'obodo continent ato ndi a nile ka edeputara n'akwukwo nke ISAAA.

ISAAA bu ulo oru ndi nke na anaghi enweta uru ngwa ahia, burukwa ndi nke na-enweta kwa nkwado site n'ulo oru ndi gomenti nwe nakwa nke ndi nkiti nwe. Akuko gbasara mbara ala hekta Ihe ubi biotech nilenke e biri na-akwukwo akuko nke ndi ISAAA bu nke a na edenye otu ugboro, n'agbanyeghi otutu ihe ubi ndi digazi iche iche etikotara onu n'ime ihe ubi. I ga enweta nkowa di nma maka nkea n'ime ISAAA brief 49 'GLOBAL STATUS OF COMMERCIALIZED BIOTECH/GM Crops: 2014 nke onye dere ya bu Clive James. Maka akuko ndi ozo so ndia, gaa na igwe intanet nke bu http://www.isaaa.org ma obu kwanu gaa na ISAAA AfriCenter nke ekwe nti ya bu +254 20 422 3618 ma obu kwanu ziga ozi email na africenter@isaaa.org